lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi



# Nwanyị ahụ nọ n’akụkụ Olulu mmiri

Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: Lazarus
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
Ruth Klassen

Onye tughariri okwu a: The Bible Society of Nigeria

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2023 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Jizọs na ndị na-eso ụzọYa na-ejeghari n'ala Sameria. Ha wee bịarute otu obodo a na-akpọ Saịka.



Otù olùlù-mmiri dị n'ebe ahụ, ebe ndị Saịka na-ekuru mmiri ọṅụṅụ ha.  Jekob, bụ nna ụmụ Izrel, gwuru olùlù-mmiri ahụ ogologo oge gara aga.



N'ehihie, dị ka mgbe oke anwụ na-acha ma enwekwa ekpomọkụ.  N'ike ọgwụgwụ, Jizọs nọdụrụ ala n'akụkụ olulu-mmiri ahụ, ndị na-eso ụzọ ya wee banye na Saịka ịzụta ihe oriri.





Jizọs nọ naanị
ya - ma ọ bụghị
ogologo oge.
Otu nwaanyị bi
na Saịka bịara
isere mmiri.
Jizọs sịrị ya:
“Nye m mmiri.”



O juru nwanyị ahụ anya. “Olee otú i si bụrụ onye Juu, na-arịọ m ihe ọṅụṅụ, bụ́ nwanyị Sameria?” ka o kwuru. N’oge ahụ, ndị Juu na ndị Sameria adịghị emekọrịta ihe!

Ma eleghị anya, ọ tụrụ ya n’anya karịa mgbe Jizọs sịrị, “Ọ bụrụ na ị maara onye m bụ, ị ga-arịọ m maka mmiri nke ndụ.”





Nwaanyị ahụ wee sị
Jizọs, “Onyeisi, I nweghị ihe ị ga-eji
esere mmiri, olùlù-mmiri ahụ dịkwa omimi nke
ukwu.  Òlee ebe ị ga-esi wee nweta mmiri nke
ndụ ahụ?  Ị dị ukwu karịa nna anyị Jekob,
Onye nyere anyị olùlù-mmiri ahụ...?”



Jizọs wee sị nwaanyị ahụ, “Onye na-aṅụ mmiri nka, akpịrị ga-akpọ ya nkụ ọzọ.  Ma onye ọbụla nke na-aṅụ mmiri nke M ga-enye ya, akpịrị agaghị akpọkwa ya nkụ ma-ọli.  Mmiri ahụ nke M ga-enye... ga-aghọ n’ime ya, isi-iyi mmiri nke na-erùpụta rue ndụ ebighị-ebi.”  “Nna anyị ukwu, nye m mmiri nka...” ka nwaanyị ahụ kwuru.

Jizọs riọrọ nwaanyị ahụ ka o jee kpọọ di ya. Nwaanyị ahụ zara sị, “Enweghị m di.” “Ị nwere di ise,” ka Jizọs kwuru. “Ma onye nke i nwere ugbua abụghị di gị.”



Nwaanyị ahụ matara na Jizọs bụ onye-amụma. Ọ nwara ime ka ọ rụrịta ụka banyere ebe ọ ga-efe Chineke ofufe: Jerusalem ma ọ bụ ugwu nsọ nke ndị Sameria. Jizọs wee sị na ndị na-efe ezi ofufe na-efe Nna n'ime mmụọ na n'eziokwu.



“Amaara m na Mesaịa na-abịa,” ka nwaanyị ahụ sịrị Jizọs. “Mgbe ọ bịara, Ọ ga-agwa anyị ihe niile.” Jizọs wee sị ya, “Mu onwe m na-agwa gị okwu, abụ m Ya.” Ozugbo ahụ, ndị na-eso ụzọ ya lọghachiri. Nwanyị ahụ hapụrụ ite mmiri ya dị oké ọnụ ahịa n’ebe ahụ n’akụkụ olulu mmiri ahụ wee laghachi n’obodo.





"Bịanụ hụ otu nwoke gwara m ihe niile m mere," ka nwaanyị ahụ gwara ndị Saịka. "Nke a, o nwere ike ịbụ Kraịst ahụ?" Ndị ikom ahụ hapụrụ obodo ahụ ka ha gaa hụ Jizọs n'onwe ha.

Ka ọ dị ugbua, ndị na-eso ụzọ ya gwara Jizọs ka o rie ihe. Ma Jizọs sịrị, “Ihe-oriri m bụ ka M mee ihe Onye zitere m na-achọ, na ka M lụzukwa ọlụ Ya.” Ọlụ ya bụ ịkpọtara Chineke ndị mmadụ.



Ọtụtụ n’ime ndị Sameria kwere na Ya n’ihi okwu nwaanyị ahụ.  Ha rịọrọ Jizọs ka ya na ha nọrọ; O wee nọgide n'ebe ahụ ụbọchi abụọ.





Ọtụtụ ndị ọzọ kwere n’ihi okwu ọnụ nke Jizọs. Ha kwuru sị: “...anyị anụwokwa n’onwe anyị ma mara na onye a bụ Kraịst ahụ, Onye Nzọpụta nke ụwa.”

Nwanyị ahụ nọ n’akụkụ Olulu mmiri

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke, bu akwukwo nso

Di n'ime

Jọn Isi nke anọ

“Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe.”
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie.  Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi.  Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia!  O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi!  O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo.  Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi.  Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi.  Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile!  Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.